# OZIỌMA NKE ỌKPARA CHINEKE

**Ndi Rom 1:1-17; Aisaia 52:7; 61:1-3; Matiu 4:23-25; Ọlu Ndi-ozi 20:24;**

**Ndi Efeọs 6:18-20; I Ndi Tesalọnaika 1:5; 2 Ndi Tesalọnaika 1:7-10.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 380**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Le, ka ha si ma nma nke-uku n'elu ugwu, bú ukwu nke onye nēzisa ozi ọma, bú onye nēme ka anuru okwu udo" (Aisaia 52:7).**

### Igosị pụta ỊbụChi Nke Kraist

Ọ dị ihe mere ka okpukpé NdịKraist dị iche site n'okpukpé niile ọzọ nọ n'ụwa. Ike dị nime ya. Jisọs bụ "Onye akaworo ibu Ọkpara Chineke n'ike, … Site ná nbilite-n'ọnwu nke ndi nwuru anwu." O gosịpụtara na Ya bụ Ọkpara Chineke site n'ime ihe ọ dịbeghị onye mere ya mbụ, ọ dịghị kwa onyeọzọ mere ya site na mgbe ahụ. Ọ sịrị na Ya gaatọgbọ ndụ Ya, welie kwa ya ọzọ; nke a ka O mekwara. O biliri site ná ndị nwụrụanwụ, náenwe arụ, naadị kwa ndụ rue ebighịebi.

N'ihi na Jisọs nwere ike, Ọ pụrụ inye ndịọzọ ike. Ezi onye náesoụzọ Onyenweanyị Jisọs Kraist ọ bụla nwereike ibindụ karịa mmehie. Agụụ ime mmehie ka anaewepụ mgbe mmadụ kwupụtara mmehie niile ọ meworo wee nye Jisọs obi ya. Okpukpé niile ọzọ naakụziri ụmụmmadụ ka ha bie ndụ dị mma, ma ha adịghị enye ha ike ime ihe akụziri. Náání Jisọs pụrụ inye ike eji emeri mmehie. Nke a mere okpukpé Jisọs Kraist ji dị ukwu karịa okpukpé niile ọzọ.

### Orù Nke Kraist

Pọl Onyeozi kpọrọ onweya orù nke Jisọs Kraist. Pọl bụrị onye óké okpukpé site ná mmalite. O chèrè na ya naefé Chineke. O leruwoanya mụọ Testament Ochie nke akwụkwọnsọ, ọ kpagbukwara ọbụná NdịKraist n'ihi na o chère na ha adịghị asọpụrụ Chineke site n'ifè Jisọs òfùfè. Ma mgbe esitere n'ọlụebube, gosi ya na Jisọs bụ Ọkpara Chineke n'ezie, Mesaia ahụ anaele anya ya, o jiri obi ya niile bụrụ orù Ya. Mgbe nke ahụ gasịrị, o jikeere ime ihe ọ bụla Jisọs chọrọ ka o mee. O nwewo mgbanwe nke obi, ọ bụghị náání mgbanwe nke uche. O nwere mmetụta dị ukwu na ya bụ orù na o jikeere inye ndụ ya niile ịgwa ndịọzọ banyere Jisọs. O wezugara onweya iche nye Oziọma, bie ndụ nye Oziọma, ma, n'ikpeazụ, ọ nwụọ n'ihi Oziọma Jisọs Kraist.

### Oziọma N'oge Ochie

Mgbe Pọl ghọtasịrị ihe Oziọma bụ, ọ hụtara na ọ bụghị ihe ọhụụ n'oge nke ya. Mgbe agbanwesịrị obi ya ná nzọpụta, ọ pụrụ ịghọta na ekwusaworị Oziọma na Testament Ochie kwa.

Ikwusa Onyenweanyị Jisọs Kraist bụ Oziọma ahụ. Jisọs sịrị, "Obi tọrọ nna-unu Abraham utọ nke-uku ihu ubọchim; ọ we hu ya, ñuri kwa ọñu" (Jọn 8:56). O nwere okwukwe na Jisọs, ewee gụọ ya n'onye eziomume site n'okwukwe ahụ. "Ma ihe edeworo n'akwụkwọ nsọ, ebe o buru ha na Chineke nēsite n'okwukwe gu ndi mba ọzọ ná ndi ezi omume, o buru uzọ zie Abraham ozi ọma, si, Agāgọzi mba nile nime gi" (Ndi Galetia 3:8).

Aisaia bụ Onyeamụma buru amụma ihe Oziọma Jisọs Kraist gaabụ náede nnọọ okwu Jisọs gaekwu mgbe Ọ bịara: "JEHOVA etewom manu izi ndi ewedara n'ala ozi ọma: O zitewom ikechi ọnya ndi obi-ha tiwara etiwa, ikpọsa ọrira gwa ndi adọtara n'agha, na ikpọsa nmeghepu ulo-nkpọrọ gwa ndi ekere agbu; … inye ha ihe ọma ike n'isi n'ọnọdu ntu, manu obi-utọ n'ọnọdu iru-újú, ákwà-ngbokwasi otuto n'ọnọdu mọ nke inyogh-inyogh" (Aisaia 61:1-3).

### Oziọma Nke ị hụn'anya

Oziọma nke Onyenweanyị Jisọs bụ akụkọ ọma. Jisọs wetara udo, ebere, ọñụ, obiọma. Ọtụtụ mgbe okpukpé nke ndị náekpere arụsị naabụ ozi nke ịkpọasị. Ndịmgbasị gaeji obiọjọọ dọkapụ ụmụntà n'aka nne ha wee gbue ha ime ka iwe chi ha dajụọ. Mgbe ụfọdụ, site ná nkụzị nke onyemgbasị, anaesure nwanyị di ya nwụrụ na ozu di ya n'ọkụ, maọbụ manye nwanyị ahụ di ya nwụrụ ka o gbue onweya ka mmụọ ya wee soro nke di ya. Lee óké iheọjọọ ná enweghị obiụtọ bụ́ òkè nke ndị nọ n'ọchịchịrị nke náamaghị Chineke!

Aisaia bụ́ Onyeamụma sịrị: "Le, ka ha si ma nma nke-uku n'elu ugwu, bú ukwu nke onye nēzisa ozi ọma, bú onye nēme ka anuru okwu udo, onye nēzisa ozi ọma nke ezi ihe, onye nēme ka anuru okwu nzọputa" (Aisaia 52:7). Chee échìchè banyere mgbanwe gaadị ná ndụ ndị ahụ náamaghị Chineke ndị maworo náání ọchịchịrị na obiọjọọ, emesịa ha wee nụ na Jisọs hụrụ ha n'anya na Ọ gaenye kwa ha obiụtọ

na ịhụn'anya nime obi ha. Lee otú onye ahụ náaghaghị ịmamma n'anya ha bụ́ onye wetara ha ozi nke nzọpụta, udo nke Jisọs sịrị na ọ gaadịrị mmadụ niile!

**Nye Mmadụ Niile**

Pọl Onyeozi sịrị na ọ dị ndị gaerubeisi n'okwukwe ahụ "n'etiti mba nile, n'ihi aha-ya" (Ndi Rom 1:5). Ọ dị ndị agaazọpụta nime mba niile ọ bụrụ na ọ dị onye jere gwa ha banyere Jisọs.

Mgbe ụfọdụ ndị bi n'ebe Ọwụwaanyanwụ naechè na okpukpé NdịKraist bụ okpukpé Amerịka. Ma Jisọs ebighị ndụ Ya n'Amerịka. Achọpụtabeghị obodo Amarịka mgbe Ọ nọ n'ụwa. Ma Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya ka ha jee n'ụwa niile kwusaa Oziọma. Ya mere, ka arọ náaga, ndị kwesịrịntụkwasịobi náagbasa Oziọma wee jee n'ọdịdaanyanwụ, ndị bu kwa ụzọ biri n'Amerika mere otú ahụ ka ha nwere onweha ikpere Chineke. N'ihi na atọrọntọala nke Usoro ọchịchị obodo Amerịka n'Eziokwu nke Baịbụl, okpukpé NdịKraist wee gbasaa n'ala ahụ niile; ha onweha ezipụwo kwa ndị náagbasa Oziọma jee n'Obodo ọzọ dị icheiche. Chineke agọziwo Amerika n'ihi nguzo ya n'okpukpé NdịKraist; ma ọ bụrụ na obi ụmụmmadụ anọgide n'ichipụ site n'ebe Ọ nọ dịka ha naeme ugbu a, ikpé Chineke gaadakwasị Amerika.

**Ndị Kraist Nke Rom**

Pọl Onyeozi degaara NdịKraist nọ na Rom akwụkwọozi. Ụfọdụ bụ ndị Juu, ma enwekwara ụlọnzukọ nke Ndị Mbaọzọ n'ebe ahụ. Ha nwere okwukwe dị ukwu nime Jisọs na ụmụmmadụ anụwo banyere okwukwe ha n'ụwa niile amatara mgbe ahụ. Ha atụghị egwù ime ka ìhè ha nwue n'ihi Jisọs. Ha chọrọ ka ụwa niile mara na Jisọs naazọpụta ná mmehie. Nke a bụ ọlụ ha ná ndụ.

Pọl edewo akwụkwọ ma ọ chọkwara ijé hụ ha. Ọ sịrị na ọ bụ nkasịobi nye ya ịnọ n'etiti nzukọ ndị kwereekwe dịka ya onweya. Anyị niile pụrụ inweta ike nke imemmụọ site n'izukọta náagwarịta kwa ibe anyị ihe Onyenweanyị mewooro anyị.

Pọl bụ minista na onye náagbasa Oziọma n'etiti ha, ọ makwara na ya gaabụ inyeaka nye ha n'ihe nke imemmụọ. Ma o chèghị na ya mazuru ihe niile. O nwere mmetụta na ya pụkwara ịmụta ihe n'aka ha.

**Ntụkwasịobi Nke Pọl Nwere Nime Oziọma**

Lee otú Pọl Onyeozi si hụ Oziọma nke Onyenweanyị Jisọs Kraist n'anya! Ọ chọrọ ikwusa ya na Rom, ọbụná na ọ pụtara na ọ ghaghị ịhụ́ ahụhụ. Ọ dịghị ihe kwụsịrị ya n'ọsọ ọ naagba ibuli aha Jisọs elu na ịgwa ndịkom na ndịnyom na apụrụ ịzọpụta ha. Ihere emeghị ya ịgwa ụmụmmadụ banyere Jisọs, n'ihi na ọ matara na apụrụ ịzọpụta ha site ná mmehie ha site n'aha ahụ. Pọl alaghịazụ ịgwa ha sị "Aghagh imu unu ọzọ." Ọ matara na ha pụrụ inwe mgbanwe nke obi, na ha gaamata mgbe mgbanwe ahụ batara, na nzọpụta dịkwara onye ọ bụla gaakwụ ụgwọ inweta ya.

Ọ bụrụ na agbaghaworo anyị mmehie niile anyị, anyị wee náanụrị kwa nime nzọpụta nke Onyenweanyị, anyị pụrụ inwe mkwuwaokwu. Anyị pụrụ ikwuokwu dịka Jọn Onyeozi kwuru ọtụtụ ugbò sị: "Ayi matara …." Anyị **matara** na anyi esiwo n'ọnwụ baa ná ndụ. Anyị **matara** na anyị bụ ihe ekère ọhụụ nime Kraist Jisọs. Anyị **matara** na mmehie anyị apụwo. Anyị **matara** na Onye mgbapụta anyị naadị ndụ. Anyị **matara** na Jisọs naabịa ọzọ.

**Ijè Anyị Site N'okwukwe**

Azọpụtara anyị site n'okwukwe ọ bụghị site n'ọlụ. Ọ dịghị ezi ihe ọ bụla anyị mere pụrụ ịzụtara anyị ọnọdụ n'Eluigwe. Náánị otù ụzọ dị nke apụrụ isite na ya zọpụta anyị: "Onye ezi omume gēsite n'okwukwe di ndu." Anyị aghaghị ichègharị site ná mmehie niile anyị, kwere kwa na Jisọs bụ Ọkpara Chineke onye pụrụ ma náagbaghara kwa anyị. Ọlụ Ọma gaabụ nlụpụta nke nzọpụta azọpụtara anyị site n'okwukwe.

Nzọpụta bụ náánị mmalite nke ijè anyị site n'okwukwe. Ihe niile anyị naenweta sitere na Chineke aghaghị ịbịa site n'okwukwe. Mgbe azọpụtasịrị anyị (maọbụ gụọ anyị ná ndị eziomume site n'okwukwe), anyị aghaghị ịchọ odudonsọ -- nke ahụ naabịa kwa site n'okwukwe. Ọ naeme n'otù ntabianya mgbe anyị jiworo ndụ anyị chụọàjà dị omimi nye Chineke karịa ka anyị meworo na mbụ, wee kwere kwa na Ọ zawo ekpere anyị.

Mgbe anyị naarịaọrịa, anyị naekpeekpere kwere kwa na Jisọs naeme ka arụ dị anyị ike, anyị ewee nata ọgwụgwọ nye arụ anyị. Ihe ọ bụla OnyeKraist naeme, o kwesịrị ime ya náebu n'obi na Jisọs nwere obiụtọ nime ya. "Ezi onyinye ọ bula na ihe ọ bula zuru okè nke enyere enye si n'elu bia, ebe o si n'aka Nna nke ìhè ridata" (Jemes 1:7). Ọ naadị Ya ụtọ inye ụmụ Ya ezi onyinye. Ma "asi na okwukwe adigh ọ bu ihe anāpugh ime, bú ime ihe gātọ Chineke ezi utọ" (Ndi Hibru 11:6).

Anaenye anyị Oziọma n'efu taa. Anyị pụrụ ịnara ya maọbụ ju ya: ayị nwe ịrọrọ. Ma oge gabịa mgbe agaata ndị jụrụ Oziọma ahụhụ. Mgbe Jisọs gaabịa ọzọ Ya na ndị mmụọozi Ya, Ọ gaabọ ọ́bọ̀ n'isi ha "ndi

nāmatagh Chineke, ha na ndi nāñagh nti ozi ọma nke Onye nwe ayi Jisus.” Ma ndị nyeworo Ya obi ha gaenwe ọñụ nke ndụ ebighịebi. Ebube nke maliteworo n’obi anyị ganaetó rue mgbe niile ebighịebi.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Gịnị ka okwu a bụ́ “Oziọma” pụtara?

2 Kwuo otù ụzọ nke Jisọs si gosipụta ịbụ Chi Ya, dịka edere ya n’akwụkwọ Ndi Rom 1.

3 Òlee otú Oziọma Jisọs Kraist si dị ichè n’okpukpé niile ọzọ?

4 Gịnị ka Aisaia kwuru banyere ụkwụ nke onye náeweta oziọma?

5 Òlee ndị Jisọs chọrọ ka Oziọma bụrụ nke ha?

6 Òkè ra añaa nke onweya ka Pọl Onyeozi nyere n’Oziọma?

7 Òlee otú anyị si anata ihe n’aka Chineke?